# MKPA Ọ DỊ IJI NKANAỤZỤ ỌGBARA ỌHỤRỤ AMỤ NA ỊKỤZI ASỤSỤ IGBO

**Akidi, Felista Chidi**
felista.akidi@futo.edu.ng
felistachidi@gmail.com
08036723297

&

**Ayozie, Chioma RoseMary**
chioma.ayozie@futo.edu.ng
ayoziechioma2014@gmail.com
080367975253
FEDERAL UNIVERSITY OF TECHNOLOGY, OWERRI

**Ụmịedemede**
*Nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ bụ nkanaụzụ ndị na-apụta n'ụwa site n'oge rue n'oge. N'oge ọbụla a na-enwe nkanaụzụ gbagolitere a na-etinye n'ọrụ iji azụ ahịa, agụ akwụkwọ, ezi ozi, etinye na adọrọ ego. ọkụ latirik, ngịga ụwa, igwe ome-nta-eme-imo, ọnya nwudide na ụlọọrụ nzirịta ozi MTN, AIRTEL, GLO na ndị ọzọ na-eme ka nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ rụọ ọrụ nke ọma. Ihe kpalitere nchọcha a bụ na ka ọ dị ugbu a, ụwa na-emepe na-aga. Nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ ka e ji emezi ihe niile dịka azụmahịa, itinye na ịdọrọ ego, njem, ọrụ ubi, agụmakwụkwọ, nzukọ na ọtụtụ ihe dị iche iche. Ebe ọ bụ na e jila nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ na-eme ọtụtụ ihe dị iche n'ụwa taa; ọ kacha agụmakwụkwọ, ọ dị mkpa na e tinyere n'ọrụ iji nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ na-amụ ma na-akụzikwa asụsụ Igbo. Edemede a kọwara mkpa ọ dị iji nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ akụzi na ịmụ asụsụ Igbo. E ji nleru anya na ọmụmụ asụsụ ihe ndị a hụtara na ihe ndị a gụtara n'akwụkwọ wee kọwaa maka nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ na ịkụzi na ịmụ asụsụ Igbo, uru nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ ga-abara asụsụ Igbo, akamgba chere ya na ihe a ga-eme. A dụrụ ọdụ ka e weta nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ n'ịkụzi na ịmụ asụsụ Igbo ka e wee nwee ike rite uru si na ya n'uju.*

## Mkpọlite

Asụsụ na nkanaụzụ bụ otu n'ime ihe ndị na-akwalite agbụrụ ma na-eme ka a na-anụ aha mba n'ụwa niile. Mbata na Akidi (2016) kwuru na nkanaụzụ mba ịgbago, ndị ahụ ga-etinye asụsụ ha n'ọrụ. Ha kwukwara na asụsụ bụ igodo nkanaụzụ ndị; igodo a fuo nkanaụzụ ndị ahụ efuo. Nke a gosiri na nkanaụzụ na asụsụ na-agakọ. Nkanaụzụ mba na-abawanye ma na-agbago site n'otu mba si were asụsụ ha na etu ha si ji asụsụ ha arụpụta ọrụ. Ndị obodo Germany, India, China, Israel, America na obodo ndị ọzọ aha ha na-ada ụda bụ site na mgbagolite nke nkanaụzụ ha nke ha ji asụsụ ha wee na-akọwapụta ma na-edepụta. Obodo ịbụ nnukwu mba gbadoro ụkwụ n'ike asụsụ na nkanaụzụ ha nwere. Asụsụ na-eme ka nkanaụzụ gbagolite, nkanaụzụ na-emekwa ka asụsụ gbagolite. Asụsụ na-eme ka ihe niile a na-eme eme dị mfe (Akidi, 2020).

Asụsụ bụ isi obibi ndụ mmadụ n'ihi e wepụ asụsụ, mmekọrịta, nzipụta ozi na nnata ozi agaghị enwe isi. N'ịkwado nke a, Akidi (2008), Akidi (2019a:16) na Akidi (2021) kọwara asụsụ dịka ejebe aghaghị na ndụ mmadụ. Ka asụsụ na-eto ma na-abawanye ọ dị mkpa na a na-eme ka asụsụ na-esonye n'ihe mba ụwa na-eme iji hụ na asụsụ ha na-aga n'ihu ma na-ada ụda n'ụwa niile. Akidi (2018:4) kọwara na ịkwalite asụsụ mee ka o too ma toro na-aga bụ ndị nwe asụsụ ahụ ka ọ dịịrị. N'otu aka ahụ "mgbanwe a na-eme n'asụsụ na-egosi na asụsụ na-aga n'ihu maọbụ na-ala azụ.

Ọganihu asụsụ na-egosi na asụsụ na-eto eto ma bụrụkwa asụsụ ọgbara ọhụrụ (Akidi, 2019b:176). N'ụwa niile taa ihe niile mmadụ na-eme ka a na-agbaso usoro nkanaụzụ ọhụrụ eme. Nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ emeela ka azụmahịa, agụmakwụkwọ nkụzi na mmụta, njem, ndọrọ ego, okwu ọchịchị, okpukperechi, ọrụ ubi, okwu ahụike, nziṛịta, nzipụ na nnweta ozi dị mfe karịa ka ha dị na mbụ. Ihe gbasara asụsụ alaghị azụ n'ihe gbasara nkanaụzụ n'ihi ọ bụ asụsụ ka e ji akọwapụta nkanaụzụ. Ndị mmadụ, otu dị iche iche, ụlọ ọrụ dị iche iche, na-ejizi nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ eme ihe niile ha na-eme. N'ihi nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ na-eme ka nziṛịta ozi, nnweta ozi na nzipụ ozi bụrụ nke na-adịzi ire n'otu ntabi anya. ọrụ nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ ụwa dizi ka otu ogbe bikotara ọnụ. Ka ọrụ nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ dị ire, a ga-enweriṛị eletrik e ji eme ka ngwa nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ rụọ ọrụ.

Uru jupụtara n'iji nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ eme ihe niile na-eme eme ka o ji dị mkpa na a ga-ewebata iji nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ n'uju na nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo. Ka uru si jupụta n'iji nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ akụzi na ịmụ asụsụ Igbo ka ọtụtụ aka mgba sikwa chee ya. Site n'iwebata nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ n'asụsụ Igbo maka uru jupụtara ya ka a na-ahụta akamgba chere ya. Nke a ga-eme ka e nwee ike chọpụta ụzọ a ga-esi lebara akamgba ndị ahụ anya ma chọta ụzọ a ga-esi gboo akamgba ndị ahụ.

**Nkanaụzụ**

Mbata na Akidi (2016) kọwara na mmalite nkanaụzụ hiwere isi na mbọ nke mmadụ site na mbido iji mee ka obibi ndụ mmadụ dị mfe. Nke a pụtara na nkanaụzụ bụ mbọ mmadụ na-agba kwa ụbọchị ịchọpụta ụzọ kachasị mfe dị mma iji mee ka obibi ndụ na-atọwaga ụtọ ma na-amawaga mma. Akidi, Ayozie na Mgborogwu (2021) kọwara na ka ụwa na-aga n'ihu nkanụzụ na-agbagolite. ọ pụtara na ka chi na abọ na-aga, ụwa na-emepe site na mgbagolite nke nkanaụzụ nke bụ mbọ mmadụ. Ụwa adịghị ka ọ dị site na mbido ụwa n'ihi na mmadụ anọghị nkịtị. Mmadụ na-achọpụta kwa ụbọchị ụzọ ka mfe na mma iji mee ihe n'ụzọ ka nso na mfe. Nkanaụzụ nwere ike dị n'ụdị ngwaọrụ, ihe a na-eme eme, ihe oriri, ụzọ njem, ihe e ji emepụta ihe na ihe ndị ọzọ. Na nchọcha a nkanaụzụ nke a na-ekwu maka ya bụ nke gbasara nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo. N'ihe gbasara mgbasa ozi asụsụ bụ isi sekpụ ntị n'ihi e wepụ asụsụ nkanaụzụ agaghị adị mfe itinye ya n'ọrụ.

**Nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ**

Ka chi na-efo na-aga, ọtụtụ usoro e jibu eme ihe a na-abụzi nke ochie. Nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ bụ ụzọ kacha dị ọhụrụ e ji eme ihe ka ọ dịwaga iche n'usoro ochie e si eme ya. Okwu a kpụ n'ọnụ n'ụwa niile ugbu a bụ nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ nke gbanyekariṛị ụkwụ n'igwe ome-nta-ome-imo, ọkụ latirik, ngịga ụwa, ọnya nwudide, ụlọọrụ nziṛịta ozi nke gụnyere: MTN, GLO, ETISALAT, AIRTEL na ndị ọzọ. Ụlọọrụ nziṛịta ozi ndị a na-eme ka nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ rụọ ọrụ etu o kwesịrị. Ụlọ ọrụ nziṛịta ozi (MTN, GLO ETISALAT, AIRTEL na ndị ọzọ) na-enye aka mee ka ngwa ọrụ nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ nwee ike rụpụta ọrụ etu o kwesịrị. Ọ bụrụ na e nweghị ezi nkwado site n'ụlọ ọrụ nziṛịta ozi tinyere ọkụ latirik a gaghị enweta ezi uru si na nkanụzụ ọgbara ọhụrụ. Ihe ndị a bụcha uru na ọrụ nkanụzụ ọgbara ọhụrụ. Ilechukwu na Ogwudile (2018) kọwara na tekụnụzụ na- akwalite nziṛịta ozi, nzipụ, nnweta, nchọta, nhazi, nchekwa na mgbasa ozi. Nkwalite usoro nziṛịta ọgbara ọhụrụ site n'iji ụdị igwe ọgbara ọhụrụ a pụrụ iche. Otu e si eji nkanụzụ ọgbara ọhụrụ eme ihe na-agbasa ozi n'atụfughị oge bụ ihe e ji ekwu maka ya ma na-agbaso ya. Iloene, Iloene, Mbah na Mbah (2013) kwuru na nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ emeela ka ụwa bụrụ obere ogbe mepere emepe. Nke a bụ eziokwu n'ihi na ọ dizi ka mmadụ niile bi n'ụwa o bizi otu ebe. Nzipụ ozi na nnata ozi nwere ike ime n'otu ntabi anya. Ihe ndị a anazighị ewe ọtụtụ ụbọchị ịgba ụgbọ maọbụ ndọkasị ahụ. Mmadụ na-anọzi n'ime ụlọ ya zipụ ozi maọbụ nata ozi n'ataghị ahụhụ ọbụla dịka ịgba ụgbọ pụọ maọbụ ịchọ onye ga-aga zipụ maọbụ nata ozi.

**Nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ na nkụzi na ọmụmụ**

Nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ agbanweela ihu ụwa n’ụzọ pụrụ iche. Ọ rara ahụ inweta ihe mmadụ na-eme ikuku nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ n’ekusabeghị. Ikuku nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ emetụgo ogo mmụta dị iche iche n’ụzọ dị mma. Mmalite iji nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ eme ihe dị iche iche nyere ndị mmadụ ohere iwebata iji nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ elebara ihe gbasara ọmụmụ anya. Enyemaka ọkụ latirik na ịntanet mere ka ọmụmụ na nkụzi dị mfe. Sam (2010) kwuru na iwebata nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ bụ ihe e nwere ike iji hazigharịa, iji gboo mkpa mmụta na Naịjirịa. Nke a ga-eme ka mmụta nwee ike ruo ogo a tụrụ anya n’ụwa. O kwuru na obodo dịka China, India, Malaysia, South Korea, Singapore na ndị ọzọ ejila ụzọ dị etu a hazie mmụta ha ka ogo akụnaụba ha wee gbagoo ma bawanye ọsọọsọ.

Ọmụmụ na nkụzi ọgbara ọhụrụ nke a kpọrọ e-lenini bụ nke ịntanet mere ka ọ pụta ihe nke ọma. Ka nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ mịta mkpụrụ nke ọma ndị nkụzi kwesịrị ịzụgharị onwe ha n’ụzọ pụrụ iche inwe ike sonye nke ọma n’ụdị nkụzi a dị ugbu a. Nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ akwalitela nkụzi na mmụta site n’ime ka mmụta nwee ike irute onye ọbụla aka. Ma onye ukwu ma onye nta, ma ọgaranya ma ogbenye na-esonyezi na nkụzi na ọmụmụ nke ọgbara ọhụrụ. Mmụta abụghịzi maka sọ ndị ọgaranya. Kama ọ bụzi maka mmadụ niile. Nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ na-amịta ezi mkpụrụ ma ndị ọ gbasara mara etinye ya n’ọrụ. ọmụmụ ihe sitere na nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ ga-enye aka iwepụ nkewa na ịkpa oke n’etiti ndị nwere na ndị n’enweghị nke dị na ụwa taa; onye ọbụla ga-enwe ohere iji nkanụụzụ ọgbara ọhụrụ elebara nkụzi na ọmụmụ anya. E nweghị iwu machiri mmadụ ịgbaso mmụta na ọmụmụ site na nkanụụzụ ọgbara ọhụrụ. Ịgbaso nkụzi na ọmụmụ site n’usoro nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ nke e nwere ike iji igwe ome-nta-eme-imo, amụma, onyonyo, tiivii, redio, efere ejije, epekele onyonyo, mpịkọ, ekwentị na nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ ndị ọzọ na-enye aka na nkụzi na ọmụmụ nke dị ugbu a. Ihe ndị ọzọ dị mkpa na nkụzi ọgbara ọhụrụ a gụnyere: gọgụl, imelụ, savis, test meseji, ngịga ụwa, ọnya udide, akwụ ụwa, nchọ na ndị ọzọ. Maka okwu ndị a gbasara nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ ndị a hụ Akidi (2021), na Akidi, Ayozie na Mgborogwu (2021). Ụdị nkụzi na ọmụmụ ọhụrụ a e ji ngwa ọgbara ọhụrụ eme, ọtụtụ mmadụ nwere ike isonye na ya n’otu oge n’ebe dị iche iche ha nọ. ọ dịghị mkpa na ebe a na-anọ maka nkụzi ọgbara ọhụrụ ga-abụ ebe sara asa maọbụ buo oke ibu. Ihe gbasara ọmụmụ na nkụzi nke e ji nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ bụ okwu a kpụ n’ọnụ n’ụwa taa ya mere o ji dị mkpa na a ga-aga etinye ya n’ọrụ iji wee ruo ogo mba ụwa a tụrụ anya n’ihe gbasara nkanaụzụ na ihe e ji nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ eme. Obodo dịka China, India, Malaysia, South Korea, Singapore na ndị ọzọ eritala uru pụrụ iche na nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ site n’itinye ya n’ọrụ. Nke a mere ka ogo akụnaụba ha bawanye ma too ọsọọsọ. Adrich (2008) na Egwu (2008) mere ka a mata mkpa ọ dị iji nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ eme nkụzi na ọmụmụ. Egwu (2008) kwuru na etu e nwere ike isi mezigharịa ogo mmụta ka o rue ogo mba ụwa a tụrụ anya ma mezuo ọchịchọ nke ndị mmadụ bụ Naịjirịa imegharị usoro mmụta ya.

Naịjirịa nabatara ma hiwe iji nkanaụzụ, ọgbara ọhụrụ akụzi ka ha wee sonye otu mba ụwa n’ihe ha na-eme. Otuka (2011) kọwara na e hiwere iji nkanaụzụ ọgbara akụzi ihe na Naịjirịa n’afọ 1991. N’oge a e nwere mmasị pụrụ iche iji ya akụzi ihe. A tụrụ anya na ihe dịka n’oge ugbu a onye ọbụla ebidola itinye ya n’ọrụ. N’afọ (2010) ka Kesiena na Okooboh kwuru na e tinyebeghị iji nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ n’ọrụ etu e kwesịrị iji ya akụzi ihe. Ruokwa n’afọ 2023 e tinyebeghị nkụzi ọgbara ọhụrụ etu o kwesịrị. Ndị mmadụ kana-enwe obi abụọ ma na-eche na e nweghị uru ga-esi na ya apụta. Ha na-arụtụ aka na ọghọm dị na ya karịrị uru dị na ya mana n’afọ 2020 ọrịa okoro ụwa tiwapụrụ na ụwa niile, a gbachiri ebe niile ma tie iwu onye apụtakwala ezi ka a bịara chọpụta na nkụzi nke nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ bara ezigbo uru.

Nkụzi na ọmụmụ nke nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ bụ nke e ji igwe ome-nta-eme- imo, ngịga ụwa na ọkụ latirik eme. Na nkụzi na ọmụmụ dị etu a ọ dịchaghị mkpa na ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ ga-ahụ onwe ha na ihu na ihu tupu nkụzi na ọmụmụ enwee isi.

Nke a napụtara ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ na nsogbu na ihe nraahụ nke ịchọ ebe, ohere, oge na ihe ndị ọzọ gbasara nkụzi na ọmụmụ ihu na ihu. Nkụzi na ọmụmụ ihe nke ochie na-eme ka ọ bụrụ iwu na ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ ga-anọ ihu na ihu tupu nkụzi na ọmụmụ enwee isi.

Itinye iji nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ n'ọrụ ga-eme ka a mata uru ya. A ga-amatakwa akamgba chere ya; ma chọọ ụzọ a ga-esi gboo ya. Itinye nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ na nkụzi na ọmụmụ n'oge ugbu a ga-eme ka ọ mịta ezi mkpụrụ dị mma. Nkụzi na ọmụmụ nwere ike iwere ọnọdụ mgbe ọbụla a chọrọ ya ọ kacha mgbe na ebe e nwere igwe ome-nta-eme-imo, ngịga ụwa na latirik.

Onyemelukwe (2002) mere ka a mata na ọ bụ n'afọ 1960 ka mba America hụrụ na ọ dị mkpa iwebata nzirịta ozi nke latirik n'ọrụ nchekwa. Ka e mechara ndị America (USA) kwere ka ndị United Kingdom (UK), Norway, Japan na Canada rite uru na nzirịta ozi nke latirik n'ọrụ nchekwa. E mechakwara ndị Tunisịa na South Africa ritekwara uru a. Nwazor (2011) kọwara na iji igwe ome nta eme imo maka nchekwa na mba USA bụzi ihe e wefetara na nkụzi na mmụta.

Mgbanwe a na-enwe mgbe ọbụla na nkanaụzụ metụrụ aka nke ọma na mmụta nke nkanaụzụ na-abawanye na-agbago n'ike n'ike, o kwesịrị ime ndị nkuzi na ụmụakwụkwọ ka ha mara nke ha riri n'ihe gbasara nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ. A na-enwe ihe ọhụrụ ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ kwesịrị iso nkanaụzụ na-agbago ka ha wee na-esonye n'ihe a na-eme site n'oge rue n'oge.

Nkụzi na ọmụmụ ọhụrụ anyị na-enweta ka ọ dị ugbu a bụ nke a na-etinye na epekele onyonyo nke a na-egosi mgbe a chọrọ. Ọ bụghị nke a na-akụzi ya na-egosi ozugbo ozugbo. Nkanaụzụ anaghị akụziri mmadụ ihe mana ọ bụ mmadụ na-eji nkanaụzụ akụzi ihe. Iji kwado nke a, Pallof na Pratt (2000) kọwara na nkanaụzụ anaghị akụziri mmadụ ihe kama ndị nkụzi na-esi n'uru si na ya wee kwalite ma mee ka nkụzi mawaga mma. Iji mee ka uru nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ pụtawaga ihe, ndị nkụzi kwesịrị ịmụta nke ọma ụzọ e si eji nkanaụzụ ọhụrụ akụzi ihe. Ya bụ ha kwesịrị ịbụ ọka ibe n'itinye ihe gbasara nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ n'ọrụ.

**Nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ na nkụzi asụsụ**

Na nso a, ọ kacha n'obodo ndị mepere nkeọma site na nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ n'ụwa, e nwere mbawanye na mmasị iji igwe ome-nta-eme-ime akụzi na-amụkwa asụsụ. Asụsụ bụ igodo nke nkanaụzụ mba ọ bụla. Asụsụ na-emeghe ụzọ nkanaụzụ ito ma na-abawanye. Akidi (2023) kwuru na ụwa na-aga, nkanaụzụ na-abawanye, okwu ọhụrụ dị iche iche sitere na nkanaụzụ na-apụta. Nke a pụtara na nkanaụzụ na-enye aka ime ka asụsụ na-eto. Ọ bụ asụsụ ndị na-akọwapụta nkanaụzụ ha. Ya bụ asụsụ na nkanụụzụ na-agakọ. E wepụ asụsụ uru a na-enweta na nkanaụzụ agaghị ezu oke.

Nkanaụzụ agbanweela ihu ọmụmụ na nkụzi asụsụ. N'oge ochie ụmụakwụkwọ na-ehiwe isi n'akwụkwọ ọgụgụ maka ịmụ ihe. Taa 'aps' akwụ ụwa na-emezi ka nkụzi n'ọmụmụ asụsụ dị mfe. Taa ụzọ dịchasịrị mfe isi kụzie asụsụ bụ iji nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ. Nke a na-adịrị ma nwa akwụkwọ ma onye nkụzi mfe nke ukwu. N'ihi ha na-eme ya n'oge ha nwere ohere nke aka ha.

**Iwebata nkanụụzụ ọgbara ọhụrụ na nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo**

Ndị Igbo kwesịrị isonye agbụrụ ndị ọzọ nọ n'ụwa eji nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ eme nkụzi na ọmụmụ nke ga-enye aka kwalite akụ na ụba ha ma mekwaa ka asụsụ Igbo sonye n'asụsụ na-ada ụda, nke a na-anụkwa aha ya n'ụwa. E legara anya n'ọganihu a na-enwe n'iji nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ eme ihe dị iche iche dịka ịzụ ahịa, nchekwa, ọchịchị, okpukperechi, dgz, a ga-ahụ na ọ dị mkpa iwebata nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ na nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo. E legarakwa anya n'ọganihu e nwere n'iji nkanụụzụ akụzi na ịmụ asụsụ ndị a na-anụ aha ha dịka asụsụ English, China, dgz anyị ga-ahụ na ọ dị mkpa iwebata nkanụụzụ ọgbara ọhụrụ n'uju iji ya akụzi na ịmụ asụsụ Igbo. Nke a ga-enyekwa aka ka asụsụ na-agbagokwu.

**Uru a ga-enweta n'iji nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ akụzi na ịmụ asụsụ Igbo**

Iji nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ akụzi na ịmụ asụsụ Igbo ga-eme ka:

- a chọpụta akamgba ndị a na-enwe, wee nwee ike chọta ụzọ a ga-esi gboo ha ọsọọsọ
- asụsụ Igbo sonye n'asụsụ e ji elegara nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ anya
- a chọpụta ka a ga-esi tinye mkpụrụedemde Igbo ndị nke na-adịghị n'igwe ome nta ome imo, wee nwee ike tinye ha ka e wee na-ede Igbo nke ọma n'igwe nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ
- asụsụ Igbo sonye n'asụsụ a na-anụ aha ya na mba ụwa
- asụsụ Igbo sonye n'asụsụ ọgbara ọhụrụ
- e chekwa asụsụ Igbo
- ndị mmadụ na-amụrụ onwe ha asụsụ Igbo site na enyemaaka igwe ome nta eme imo na ngịga ụwa
- ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ Igbo mara nke ha riri n'ihe gbasara nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ
- asụsụ Igbo sonye n'asụsụ mba ụwa ndị ma ihe ekwe na-akụ n'ihe gbasara nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ
- e gboo mkpa ịchọ ohere, oge na ebe a ga-anọ eme nkụzi n'ọmụmụ asụsụ Igbo
- mmadụ nwee ike ịnọ ebe ọbụla kụzie maọbụ mụọ asụsụ Igbo ma ọ bụrụ na igwe ome-nta-eme-imo, ngịga ụwa na ọkụ latrik dị ebe ahụ.
- a na-enweta ihe e dere n'Igbo site na ngịga ụwa n'uju
- e chekwaa asụsụ Igbo
- a kwalite nzirịta, nzipụ, nnweta, nchọta, nhazi, nchekwa asụsụ Igbo na nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ
- a chọpụta maọbụ hazie etu e nwere ike isi na-etinye asụsụ Igbo na ngịga ụwa
- e nweta ihe e ji eme nchọcha na nnyocha maka asụsụ Igbo na ngịga ụwa
- a na-enweta nchọcha na ihe ndị ọzọ e merela n'Igbo
- a chọpụta etu a ga-esi na-ede Igbo n'igwe ome-nta-eme- imo nke ozuru ụwa n'enweghị oke ihe ịhịahụ
- ma ndị Igbo ma ndị abụghị ndị Igbo nwee mmasị n'asụsụ Igbo
- asụsụ too karịa ka ọ dị ugbu a
- asụsụ Igbo na-aga n'usoro asụsụ mba ụwa
- a mata ihe kọrọ n'asụsụ Igbo ma nwee ike tinye maọbụ webata ya
- e ji nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ dee, kụzie, mụọ ma sụkwaa asụsụ Igbo ebe niile mgbe niile n'ụwa niile
- nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo dịwaga mfe.

**Akamgba chere iji nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ akụzi na ịmụ asụsụ Igbo**

Ọ dị oke mkpa iji nkanụzụ ọgbara ọhụrụ akụzi na ịmụ asụsụ Igbo. Mana ọtụtụ mgbe a na-enwe ihe nhịa ahụ. ọtụtụ mgbe, a naghị enwe ọnya udide maọbụ ọnya udide anaghị arụ ọrụ nke ọma dịka o kwesịrị n'ihi arụsighị ọrụ ike nke sitere n'aka ndị ụlọọrụ mgbasa ozi dịka MTN, GLO, AIREL, ETISALA, dg

- Ngịga ụwa adịghị ebe niile ọ kasị n'obodo ndị n'emepeghị emepe.
- E nweghị mkpụrụedemede e ji ede Igbo n'igwe ome-nta-eme-imo mba ụwa. Nke a na-eme ka mkpụrụedemde Igbo ghasaa ma ghara ikwe ngụta n'igwe ome-nta-eme-imo nke ozuru ụwa.
- Ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ amaghị etu e si eji nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ arụ ọrụ.
- Ọtụtụ mgbe, ụfọdụ ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ enweghị mmasị ịgbaso usoro iji nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ akụzi na ịmụ asụsụ Igbo.
- Enweghị ọkụ latrik so na aka mgba chere iji nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ akụzi na ịmụ ihe.
- Enweghị ngwa nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ sokwa n'aka mgbe a na-enwe.
- Enweghị ọtụtụ ndị nkụzi ma nke ha riri n'ihe gbasara nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ bụ otu n'aka

mgbe e nwere.
- Enweghị ndị ma arụkwa nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ ma o mebie bụ nnukwu nsogbu nye iji nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ akụzi na ịmụ asụsụ Igbo.

**Aka mgba ndị ọzọ a na-enweta n'iji nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ akụzi na ịmụ Igbo gụnyere:**
- Enweghị ego e ji azụ nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ
- Enweghị ọtụtụ ndị nkụzi maara nke ha riri n'ihe gbasara iji nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ akụzi asụsụ Igbo
- Enweghị ezi nkwado site n'aka gọọmenti na ndị mmadụ nkịtị
- Etinye iji nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ n'ụsoro e ji akụzi ihe n'oge ugbu a
- Enweghị mmasị ịhapụ usoro ochie ma gbaso nke ọhụrụ
- Ụfọdụ ndị nkụzi amaghị na e nwere ike iji nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ akụzi na ịmụ Igbo
- Enweghị ohere ịmụ maka nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ
- Enweghị ngwa nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ
- Ike ọgwụgwụ n'ihi nkụzi nke nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ anaghị abụkarị nke ihu na ihu, a naghị enwe mmasị nwa akwụkwọ iji aka ya kụziere onwe ya
- Enweghị mkpụrụedemede maka Igbo e tinyere n'igwe ome-nta-eme-imo ozuru ụwa.

**Ihe a ga-eme**
- A ga-eme ka ndị ụlọọrụ nzirịta ozi dịka MTN, GLO, AIRTEL, ETISALAT, dg nwee ike na-eme ka ọnya nwudide na ngịga ụwa na-adị mgbe niile
- Ndị mmadụ na gọọmenti ga-eme ka ngịga ụwa na ọnya nwudide na-adị ebe niile na mgbe niile
- A ga-eme ka a na-enwe ọkụ latrik mgbe niile maọbụ mee ka igwe na-enye ọkụ na-enye ọkụ mgbe niile
- A ga-eme ka ọ bụrụ na ma ndị nkụzi ma ndị ha na-akụziri nwee mmasị iji nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ na-eme nkụzi na ọmụmụ ihe
- A ga-eme ka ndị nkụzi mụta etu e si eji nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ akụzi ihe.
- Ndị nkụzi kwesịrị ịdị na-aga ọmụmụ mmụgharị etu e si eji nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ akụzi ihe site n'oge rue n'oge, ka ha wee nwee ike na-ama usoro ọhụrụ na ụdị nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ kacha mma iji akụzi ihe.
- E kwesịrị inwe ọtụtụ ndị ma arụzị ngwaa nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ ndị a ma ha mebie. A ga-eme nke a site n'iziga ndị na-arụ ya ka ha mụọ ya n'efu.
- Gọọmenti, ụlọọrụ dị iche iche na ndị mmadụ kwesịrị ịdị na-ebunye ndị nkụzi ngwa nkanaụzụ ọhụrụ n'efu maọbụ n'ọnụ ego dị ala.
- E kwesịrị ịdị na-eme ka nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ na-adị ebe ọbụla a na-enwe ọmụmụ ihe ka ndị nkụzi n'enweghị wee nwee ike ji ya kụzie ihe.
- Ndị nkụzi kwesịrị ịdị na-ebugharị ngwa nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ ka ọ ga-abụ ebe ọbụla ha hụrụ ọkụ latirik, ọnya nwudide na ngịga ụwa ha ewere ya rụọ ọrụ.

**Mmechi**

Nchọpụta na mmepụta nke nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ emeela ka obibi ndụ na ihe niile mmadụ na-eme dị mfe. ụwa na-awa anya na-aga nchọpụta karaka na-agbago, ihe gbasara nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ na-abawanye. Mmalite nke nkanaụzụ hibere isi na mbọ nke mmadụ site na mbido iji mee ka obibi ndụ mmadụ dị mfe. Ka ụwa na-aga n'ihu nkanaụzụ na-agbagolite. Gburugburu niile dị n'ụwa n'otu ụzọ ma ọ bụ nke ọzọ esonyela n'ihe gbasara iji nkanaụzụ eme ihe ha na-eme. Site na mbido ụwa ka mmadụ ji gbawa mbọ ịchọpụta ụzọ kacha mma ma dịrịkwa mfe ime ka obibi ndụ dị mfe ma na-atọ ụtọ. N'ụwa taa, ka chi na-abọ na-ga e nweela ihe nchọpụta dị iche iche n'ụdị nkanaụzụ.

Ka nkanaụzụ ndị ọhụrụ na-apụta ndị dị bụ adị na-eme ochie a na-ahụpụlata aka iji ha eme ihe. ọtụtụ ndị mmadụ na-achọ ịgbaso usoro ọhụrụ dị mfe e si eme ihe karịa usoro ochie ahụhụ dị na ya. Mgbagolite na mbawanye nke nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ agbanweela ihu ụwa. ọ rara ahụ inweta ngalaba ebe obibi ndụ nke mmadụ ikuku nkanaụzụ ọhụrụ ekusabeghị. Nkanaụzụ ọlọrọọhụrụ emeela ka azụmahịa, agụmakwụkwọ, nkụzi na ọmụmụ ihe, njem, ndọrọ ego, okwu ahụike, nzirịta ozi, okpukperechi, ọrụ ubi, na ihe niile mmadụ na-eme dịzie mfe karịa ka ha dị na mbụ. Ndị mmadụ, otu dị iche iche, ụlọọrụ na-agbasozi iji nkanaụzụ. Ya bụ o kwesịrị ekwesị bụrụ ihe ziri ezi na a ga-eji nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ na-akụzi ma na-amụkwa asụsụ Igbo.

Ọ dị mkpa iwebata iji nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ n'ịkụzi na ịmụ asụsụ Igbo ka e wee nwee ike rite uru si na ya n'uju. Iwebata iji nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ na ikụzi na ịmụ asụsụ Igbo nwere uru karịrị akarị. Ọ ga-eme ka asụsụ soro asụsụ n'asụsụ mba ụwa a na-anụ aha ya nke ọma. Ndị mmadụ ga-enwe mmasị ịkụzi na ịmụ asụsụ Igbo.

Iji nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ akụzi na ịmụ asụsụ Igbo ga-eme ka a chọpụta ihe ịhịa ahụ dị na ya ma chọọ ụzọ gboo ya.

**Edensibịa**


Adrich, C. (2004). *Simulations and the future of leaving.* Sanfrancisco: Pfeiffer

Akidi, F.C. (2008). Language without words. *Journal of Languages, Arts and Cultural Studies (JOLACS)* Vol.1. Pp 92-99.

Akidi, F.C. (2018a) Towards reviving the Igbo language from the cradle. *FUTO journal series (FUTOJNLS)* Vol. 4. Issue 2 Pp 210-221.

Akidi, F.C. (2018b) Nsogbu dị n'ịhapụrụ naanị ndị okenye ịsụ asụsụ Igbo. *Achara jọnalụ nkwalite asụsụ Igbo nchịkọta nke mbụ*. Pp 41-57.

Akidi, F.C. (2019a). Ntụlerịkọta 'na' n'Igbo izugbe na oluasụsụ Nekede. *UJAH, Unizik journal of Arts and humanities.* Vol. 20. No. 2. Pp 195-213.

Akidi, F.C. (2019b). Nchara dịka o si metụta asụsụ Igbo. *Achara jọnal nkwalite asụsụ Igbo*. Nchịkọta nke abụọ. Pp 176-191.

Akidi, F.C. (2020). Media theory of culture in B.M. Mbah (Ed.) *Theories of culture and translation.* Nsukka university of Nigeria press. Pp 69-86.

Akidi, F.C. (2021). Morphosemantics analysis of neologism in Igbo. A Ph.D dissertation department of Igbo, African and Asian Studies, Nnamdi Azikiwe University, Awka.

Akidi, F.C. (2023). Okwu Ọhụrụ N'asụsụ Igbo: ụfọdụ Ihe ndị na-eweta Okwu ọhụrụ na Usoro Mmebeokwu Ha. *Nigerian Journal of African Studies (NJAS). Volume 5 No. 2* Pp 109-116.

Akidi, F.C.; Ayozie, C.R. & Mgborogwu, A.C. (2021). An analysis of techniọues for formation of Igbo eọuivalents of English computer related terms. *FUTO journal series (FUTOJNLS)* Vol. 7, Issue 1, Pp 93-107.

Egwu, P.O. (2008). E-learning to refine Nigeria's educational sector. Rerieved 25/7/2010 from http://234net.com/

Ilechukwu, DD.I. (2018). Iwulite ọmụmụ asụsụ Igbo site n'usoro ozi ozuru ụwa na senchuri nke iri abụọ na otu. *Achara jọnal nkwalite asụsụ Igbo*. Pp 1-12.

Iloene, M.I., Iloene, G.O.; Mbah, B.M.; & Mbah, E.E. (2013). The use of new technologies for teaching of the Igbo language in schools: Challenges and prospects. In L. Bradley & Thouesmy (Eds.), 20 years of EUROCALL: Learning from the past to the future. *Proceedings of the 2013 EUROCALL conference,* Euora, Portugal Pp. 117-122. Dublin/voi/lans:(c)research-

publishing.net Pp. 117-122.
Kesiena, M. & Okooboh, C. (2010). E-learning to refine Nigeria's educational sector. Retrieved 25/7/2010 from http://234net.com/
Mbata, C.O. & Akidi, F.C. (2016). Propagation indigeneous languages for technological advancement and sustenance. *Review of Arts and social sciences quarterly journal of inter-university friendship association with contribution from sciences and technology*. Vol. V. No. 5. Pp 52-57.
Onyemelukwe, R.C. (2002). The status of information and communication technology in business education programmes, the perceptions of business educators in Nigerian polytechnics, unpublished Ph.D dissertation. Nnamdi Azikiwe University, Awka.
Otuka, J.O.C. (2011). E-learning in Nigeria: problems and prospects in *Unizik Orient journal of Education*. Vol. 6 No. 1 & 2 Pp. 8-18.
Sam, N. (2010). E-learning to redefine Nigeria's educational sectors. Retrieved from http:234next.comcsp/cms/sites on 26/3/2011.

**Ụfọdụ okwu ndị gbasara nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ pụtara ihe na nchọcha a**

| **Igbo** | **Bekee** |
|---|---|
| Amụma | Flash |
| Efere ejije | CD plate |
| Epekele onyonyo | DVD |
| Igwe ome nta eme imo | Computer |
| Mpịkọ | Keyboard |
| Oke | Computer mouse |
| Okwu ngafe | Password |
| Ọnya udide | Network |
| Teknaụzụ | Technology |
| Gọgụl | Google |
| Akwụ ụwa | Website |
| Imelu | e-mail |
| Lap tọpụ | Laptop |
| Ngiga ụwa | Internet |
| Nchọ | Browser |
| Onyoko mita | Search light |
| Savis | Service |
| Ekwentị | Phone |
| Onyonyo | Tv |
| Onyonyo | Video |
| Nkanaụzụ ọgbara ọhụrụ | New technologies |
| Testmeseji | Textmessage |
| Kọmputa | Computer |
| Latirik | Electric |
| Tiivii | Television |
| Aps | Applications |